Alụkwaghị m, Mmetụta Ọ na-emetụta Ụmụakwụkwọ Sekọndịrị Nta N'Ọmụmụ Omenala Igbo N'Okpuru Ọchịchị Nsukka na Steeti Enugu

Obayi, Joy Ifeadikannwa Ph.D
Humanities Unit, School of General Studies/ Arts Education,
Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka
joy.obayi@unn.edu.ng | 08065132008

Ụmị

Alụkwaghị m bụ nwaanyị isi na be di pụọ maọbụ nwoke ịchụpụ nwunye ọ lụrụ alụ sị na ya agaghị alụkwa ọzọ.Nke a bụ ihe na-ewuzi n'oge a nke bụ na ezinaụlọ ọ bụla nwere nsogbu a nọ n'ọgbaghara. Ọ bụrụ na nwoke tara ahụhụ kpata ego lụọ nwaanyị ọ ga-ejisi ike hụ na o lekọtara nwunye ya anya ka ọ ghara ịhapụ ya laa be nna ya. Ọ na-abụ ihe ihere na akọmọnụ nye ezinaụlọ dị otu a. Nchọcha a bụ nlegharịadịm nkọwa makana ọ bụ njụmaaza ka onye nchọcha ga-eji were chọpụta ụsa isiokwu a na-ekwu maka ya. Ebe a ga-anọ mee nchọcha a bụ n'okpuru ọchịchị Nsukka na zoonu mmụta Nsukka nke steeti Enugu. Ọ bụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta nke abụọ ka a nọ mee nchọcha a. Ọ bụ miin na ndipu n'izugbe ka e ji hazie njatule. A chọpụtara na ụmụaka ndị sitere n'ezinaụlọ dị otua na-enwe nnukwu nsogbu na klaasị. Ụfọdụ n'ime ha na-anọ duu na klaasị, uche ha a naghị agakọta ọnụ. Ọtụtụ n'ime ha na-alụ ọgụ nnukwu, na-ese okwu, ụfọdụ na-ewe nnukwu iwe n'ụlọakwụkwọ. Oge a jụrụ ase, a chọpụtara na ọ bụ ezinaụlọ nne na nna ebighi otu ebe n'ihi esemokwu n'ihi na ahụ na-afụ nwata ahụ ụfụ. Nchọcha tụnyekwara aro ihe a ga-eme ka alụkwaghị m belata maọbụ kwụsị n'okpuru ọchịchị Nsukka dị ka: 1. Ezinụlọ buru ụzọ jụọ ase mgbe a na-abanye n'ịlụ din a nwunye. 2. Nne na nna ga-agba mbọ na-anagiderita onwe ha ka e wee gbochie alụkwaghịm. 3. Nne na nna ga-eme ka a ghara izobe ihe ọjọọ ka ọ ghara imechaa pụtawa okwu. 4. Nwoke ga-ejisi ike ghara iti nwunye ya ihe ma okwu sewe kama ka ha jisie ike ịgwa onwe ha eziokwu mgbe ọ bụla.

Igodo Okwu: Omenala, Alụmdi, Alụkwaghịm, Ezinaụlọ, Esemokwu.

Mkpọlite

Omenala bụ ihe e jiri mara ndị. Agbụrụ ọ bụla nwere omenala ha. Ma ha bụ ndị ọcha ma ha bụ ndị isi ojii, ndị ọbụla nwere omenala ha. Ndị Igbo nwere omenala

nke ha bụ omenala e jiri mara ndị Igbo dị ka: Ịlụ nwaanyị, Ịgba alụkwaghị m, ịwa ji, iru mgbede, ije ije oku, iti mmọnwụ, ịkwa ozu, ichi ọzọ na ihe ndị ọzọ gasị. Omenala bụ ihe anaghị akpa oke ma ịbụ onye ọbịa ka ịbụ onye ụlọ. a ga-asị gị mee ihe obodo na-eme tupu inwete ihe ị na-achọ tụmadị abịa n'omenala ịlụ nwaanyị. Ị gaghịkwanụ ekwu na ịbụ onye ụka ma ọ bụ na ịbụ onye omenala n'ihi ya na ị gaghị eme ihe obodo dowere dị ka omenala ha nke na-abụghị ikpere arụsị. Oge ụfọdụ ọ na-adị ka ọ bụ nsọ ala n'ihi na onye ọ bụla amarala na ọ bụ ihe obodo na-eme. Ọ bụ eziokwu na omenala ụfọdụ dị ka Ejim, Anozie na Anowia (2021) si kọwa ya akwụsịla n'ihi aghọtaghị ndị Igbo n'oge mbụ na onye a mụrụ ejima na a na-etufu ya n'ajọ ọhịa n'ihi na ha aghọtaghị ihe mmadụ ga-eji amụ abụọ maọbụ karịa dị ka anụmanụ. Oge ugbu a, ha amarala na ọ bụ ngọzi na ọ bụghị arụ ka onye ahụ mere. Ọ bụ ya ka ụfọdụ na-achọkwa ka e zote agbụ ndị na-amụ ejima n'oge a.

Onye ọ bụla siri be ya bilie gawa ịlụ nwaanyị na be mmadụ amarala na ya etozuola ihe e ji nwoke eme. Nke a mere na nwoke ahụ ga-ama na onye lụtara nwa mmadụ ga-elezikwa ya anya nke ọma ka ya na ya were biwe dịka nwanne ma ghọta onwe ha, mụọ ọmụmụ ma bakwaa ụba. Ilu (18:22) sịrị na onye chọtara nwaanyị chọtara ezi ihe. Nke a bụ eziokwu ọ bụghị okwu asị n'ihi na mmadụ atụkwasala n'ezinaụlọ ahụ. Oge (2022) kọwara na ọ dị ụzọ anọ a na-agbaso tupu alụmdi na nwunye ezuo oke n'ala Igbo. Nke mbụ bụ ịkụ aka, maọbụ ijụ ase; n'ebe a nwoke chọrọ ịlụ nwaanyị ga-aga be nke nwaanyị ka ọ mara ma o nwere aka ji ya. Ọ bụ n'ịkụ aka ka ndị ezinaụlọ nke nwoke nakwa nke nwaanyị ga-amata onwe ha. Ọ bụ mgbe a kụchara aka ka ezi na ụlọ abụọ ga-amalite jụwa ase onwe ha na ihe gbasara agbụrụ ha. Mgbe a jụchara ase, ụzọ gaa, ebido ime ego nakwa igba nkwụ. Mana ihe a na-ahụ n'ezinaụlọ oge ugbua dị ka ịlụ nwaanyị ọ bụzị nsogbu. Oge ụfọdụ ọ bụrụ ajụghị ase nke ọma tupu abanye n'ịlụ di na nwunye. O nwere ezinaụlọ bụ aga aga. Ma ebe nwoke nọ ma ebe nwaanyị nọ. Ụdịrị ezinaụlọ ahụ bụ ebe na-emecha weta nsogbu nye ndị lụrụ di na nwunye. Eleghị anya, nsogbu ahụ eweta alụkwaghị m.

Alụkwaghị bụ nsogbu na-adapụta n'ebe nwoke lụrụ nwunye nke na nwunye ya ga-agba ọsọ sị na ya alụkwaghị ọzọ. Ihe a bụ ihe jọrọ njọ n'ezinaụlọ ọ bụla ọ batara. Mana ihe kwụrụ ihe akwụdebe ya. Kama nwaanyị ga-anwụ n'ihi na ọ lụrụ di ma ọ bụ nwoke anwụọ n'ihi na ọ lụrụ nwaanyị, ọ ka mma ha abụọ ị gawara onwe ha

ma ndụ fọrọ. a na-eji alụkwaghị m akọ ezinaụlọ ọnụ ma nwoke ma nwaanyị mana anaghị ama ụma ahụ isi kpuo ya n'ihi na onweghị onye ihe dị mma adịghị mma.

Onye na-eti nwunye ya ihe na-eku alụkwaghị m oku, n'ihi na nwaanyị abụghị akpa aja e ji amụ ọkpọ. Ọ bụ nke a na-eme na a bịa na mpaghara Ọka na nwoke na-eti nwunye ya ihe na ụmụnne nke nwaanyị na-ebu agha gakwuru nwoke ahụ ma bọọ ọbọ ihe o tiri nwanne ha nwaanyị. Ọ bụrụ na ha emeghị nke a nkwenye ndị Igbo bụ na nwanne ha nwụọ n'ọnọdụ ahụ na ọ gawa n'afa ma mebie ihe n'ezinaụlọ nna ya maka na ha kwesịrị ịgbara ya ọgụ mmegbu a na-emegbu ya na be di ya. Ezinaụlọ bụ ụlọakwụkwọ mbụ mmadụ na-amalite tupu ọ gawa ezigbo ụlọakwụkwọ. Ebe a, ka nne na nna bụ ndị isi ezinaụlọ na-ebido zụwa ụmụaka ha, gbaziwere ha ụzọ mana ọ bụrụ na o kweghị ha omume, ebe a, ka nsogbu na-amalite dịwa tupu ndị ezi anụwa onu ha. Oge ahụ alụkwaghị m apụta.

Ọtụtụ ndị mmadụ kọwara alụkwaghị m n'ụzọ dị iche iche, dị ka Onunwa (2010) kọwara na alụkwaghị m bụ mmeghasị nkwekọrịta alụmdi. Ọ gara n'ihu kọwaa ya na ọ bụ nkwụsị nke alụmdi dị ka nkwado iwu si dị. Wikipedia, kọwara na alụkwaghị m bụ ụzọ e si eweta alụmdi na nwunye n'isi njedebe. Nke a pụtara na ha agaghị enwekwa ihe jikọrọ ha dị ka din a nwunye. Alụkwaghị m dị ka Obayi (2017) siri kọwaa ya bụ di na nwunye ịgbasa na-ebikọghịkwa ọnụ ọzọ. Ọ bụ esemokwu na-ekweghị mkpezi na-ebute alụkwaghị m. Esemokwu pụta n'ezinaụlọ, ọ na-adị mma ikpezi ya ozigbo ọ pụtara tupu ọ karịa idozo nke ga-ebute alụkwaghị m. Ọ bụ mgbe ezinaụlọ bidoro zowe nsogbu ha nwere, kpatara oge ụfọdụ mgbe a gaa-eji mara ihe na-eme, ihe emebiwe nke na alụkwaghị m a bụrụ ihe a na-ahụ n'ezinaụlọ ahụ. Ndị gbara alụkwaghị m nwere ike ịlụ nwoke ọzọ ma ọ bụ nwaanyị ọzọ. Mgbe nwaanyị lụrụ di ọzọ ọ ga-akwụghachi di mbụ lụrụ ya ńgọ e mere n'isi ya. O meghị nke a mụọ nwa, ọ bụ nwoke ahụ lụrụ ya mbụ nwe nwa ahụ ọ mụrụ. Nsogbu na-ebute alụkwaghị bụ ihe mmadụ nwere ike igbochinwu ma e hie aka abụọ n'anya.

Esemokwu ezinaụlọ bụ ihe na-enweghị isi na ọdụ. Oge ụfọdụ ọ bụrụ ogbo na ncha na-ese okwu. Esemokwu bụ nghọtahie di na nwunye maọbụ ụmụaka na ibe ha maọbụ kwa ụmụaka na ndị mụrụ ha. Oge ụfọdụ esemokwu na-adapụtakarị mgbe nna nwe ezinaụlọ enweghịzi ike ilekọta ezinaụlọ ya n'ihi enweghị ego. Ụfọdụ ọ bụrụ na nna nwere onye ọzọ n'ezi bụ onye na-eri ego ya o chefuo ezinaụlọ ya

ilekọta ha anya. Mgbe ahụ a chọọ ego n'aka ya ma o wetaghị esemokwu ebido. Ọ bụrụ na amaghị ka e siri gboo ya ọgbaghara esi na ya malite. Eleghị anya alụkwaghị m e si na ya pụta. Ọ bụ ya ka nchọcha jiri jụọ ajụjụ ndị a, iji nweta ụsa gbasara isiokwu a bụ alụkwaghị m:

1. Olee otu enweghị ezi ọzụzụ si emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenala Igbo?
2. Kedu ka ịgba alụkwaghị m si emetụta enweghị ezi nsọpụrụ ụmụaka n'ihe gbasara ọmụmụ omenala Igbo?
3. Kedu ka enweghị ezi mmekọrịta n'etiti nne nna ụmụaka si emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenala Igbo n'ihi alụkwaghị m?
4. Kedu ka ịgba alụkwaghị m si emetụta agwa ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenala Igbo?
5. Kedu ka alụkwaghị m si emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenala?

Alụkwaghị m bụ ihe dị ụba n'oge ọgbara ọhụrụ a karịa ka ọ dị n'oge ochie. N'ihi ya nchọcha a ga-aba ọtụtụ uru nye ọtụtụ mmadụ dị ka ọ gbadoro ụkwụ n'atụtụ mmụta Bandura (1962) bụ atụtụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya nakwa nke nkịtị. Atụtụ Bandura na-egosi na mmadụ nwere ike ịmụta ihe mgbe ọ na-ele mmadụ anya, ihe onye ahụ na-eme ma na-eṅomi onye ahụ ihe ọ na-eme. Ụmụaka, nne na nna ha na-ese okwu ga-amụta ise okwu. Ezinaụlọ ọ bụ ọgụ ka e jiri mara gana-alụ ọgụ mgbe niile. Ezinaụlọ na-anọ n'udo, ụmụaka ahụ ga-amụtakwa ịnọ n'udo n'ihi na nke a ka ha na-ahụ mgbe ọ bụla. Ndị nkịtị ga-erita uru na nchọcha a gụnyere: Ụmụakwụkwọ, ndị nkụzi, nne na nna, ụmụ ntoroọbịa nakwa ọhanaeze.

N'ebe ụmụakwụkwọ nọ, nchọcha a ga-enyere ụmụakwụkwọ aka inwe ezi nkwado mgbe nne na nna bikọrọ ọnụ. ha ga-agbado anya zụọ ụmụ ha n'ụzọ ga-eme ka ụmụ ha na-enwe ọṅụ n'ime ha. Ụmụakwụkwọ ga-amakwa uru nne na nna bara mgbe ha na ha bikọrọ ọnụ makana ha ga-ama uru dị n'ezi akparamagwa. Ha ga-amakwa na ọghọ m dị n'alụkwaghị m. Nchọcha a ga-abakwara ndị nkụzi uru n'ihi na ọ ga-eme ka ndị nkụzi mara ọtụtụ ihe kpatara ụmụakwụkwọ ji akpa agwa dị iche iche; ka ha makwara otu ha ga-esi nyere ha aka, ka ha nwee ike ịghọta ihe a na-akụzi. Ndị nkụzi ga-amakwa okwu ha gana-agwa ụmụakwkwọ dị otu ahụ ka ha nwee udo nke mkpụrụobi. Ndị nkụzi ga-enye aka ịhụ na ụmụakwụkwọ ha zụrụ ga-enwe nsọpụrụ nye mmadụ ọ bụla na ụmụakwụkwọ ibe ha.

Ọ ga-abakwara nne na nna uru ịmata ihe bụ udo nke ezinaụlọ, mara mkpa udo dị n'ezinaụlọ ọ bụla, na alụkwaghị m na-emetụta ụmụaka nnụkwu, na-eme ka agụmakwụkwọ ha nwee ọgbatauhie nye ma ha onwe ha, nakwa ụmụaka ndị ọzọ. Ha na-abụkwa nsogbu nye ndị nkụzi nakwa onye ọ bụla ha zutere. Nchọcha ga-emekwa ka nne na nna na-anagide ibe ha mgbe esemokwu ụfọdụ pụtara na ezinaụlọ. Ha ga-amakwa na alụkwaghị m, ha na-agba abụghị naanị ha ka ọ na-emetụta kama ma ụmụ ntakịrị ha ga-ata ahụhụ mgbe nne na nna ha anọkwaghị otu ebe.

Nchọcha a ga-abara ụmụ ntoroọbịa uru iji kwadobe maka ịlụ di na nwunye, mara na di na nwunye abụghị ọyị ka ha na-eme, kama ọ bụ njikọ nke dị nsọ. Ụmụ ntoroọbịa ga-akpachara anya mgbe ha na-aba n'alụmdi na nwunye. Ha kwesịrị ịjụ ase nke ọma ma mara agbụrụ ha na-abanye inwe mmekọ. Ajụghị ase na-eweta nsogbu n'ọdị n'ihu. Ha ga-amakwa ọghọm dị n'alụkwaghị m mara na ọ bụghị ezigbo ihe n'ihi na ọ na-eweta obi mgbawa. Nchọcha a ga-abakwara ọha na eze uru n'ihi na onye ọ bụla nọ n'obodo ga-ama omenala obodo marakwa otu a ga-esi ajụ ase jụruo ya n'isi ka alụmdi ha wee tọọ atọ ghara ịbụ a lụọ taa agbasaa echi. Onye ọ bụla na-aga ịlụ di, ga-akwado onwe ya nke ọma mara na di abụghị ọyị na ọ bụ ebe, ebe, ka a na-eje ya. Nwaanyị ga-adịkwa njikere ịmụ ụmụ a ga-azụ ezi ọzụzụ. Onye nchọcha bụkwa n'okpuru ọchịchị Nsụka nke Steeti Enugwu, ka o mere nchọcha. Ọ bụkwa alụkwaghị m nke nne na nna na mmetụta ọ na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ịmụ omenala Igbo na sekọndịrị nta nke abụọ dị na mpaghara Nsụka ka o mere nchọcha. Nchọcha ji sekọndịrị nta nke abụọ mee nchọcha n'ihi na ọ bụ ha bụ ndị ga-akwado ule nke *Basic Education Certificate Examination* (BECE) n'afọ di n'iru.

E mekwara ntụlegharị n'omenala, ezinaụlọ, alụmdi na nwunye nakwa alụkwaghị m.Atụtụ mmụgharị Bandura nke o hibere n'afọ 1962 ka a gbadoro ụkwụ wee mee nchọcha a. Omenala bụ ihe e ji mara ndị. Agbụrụ niile nwere omenala mana omenala zuru ọha ọnụ bụ ilụ nwaanyị. Anozie (2001) kọwara omenala dị ka ụzọ dị iche iche ndị mmadụ ji ebi ndụ. A na-ezipụta omenala ka ndị si eri nri eyi akwa, ete egwu were dịrị gawa dị ka Udechukwu (2022) siri kọwaa na omenala na-apụta ihe na nri, asụsụ, ite egwu nakwa iyi akwa.

E nwekwara nkọwa gbasara ezinaụlọ dịka ebe nwoke lụrụ nwunye biri ya na ụmụaka na ikwu na ibe. E nwere ezinaụlọ dị iche iche ezi na ụlọ mkpuke na ezinaụlọ ụbara mkpuke. Ezinaụlọ mkpuke bụ nke naanị nwoke, nwaanyi na ụmụ ya. Ebe ụbara mkpuke bụ nwoke, ndị nwunye ya. Ụmụ ha, nne nwoke, nna nwoke ụmụnne nwoke, ụmụnne nwaanyị, ikwu na ibe. Britannica (2023), kọwara ezinaụlọ dị ka nne, nna na ụmụaka ha ibi n'otu ebe dị ka ndị otu ezinụlọ. Onuora,Obiakor, Chinagorom na Obayi (2019), kowakwara ezinaụlọ dị ka otu mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa ndị sitere na ọmụmụ alụmdị na nwunye, ma ọ bụ nkuchi ndị bikọrọ ọnụ; A na-ewere ndị niile metụtara ya dị ka ndị otu ezinaụlọ.

Alụmdi na nwunye bụ njikọ nke nwoke tozuru oke na nwaanyị tozuru oke kwekọrịtara ma kpebie na ha ga-ebi dị ka otu ezinaụlọ site na nkwekọrịta ezinaụlọ abụọ ahụ. A na-ewekwa onye lụrụ nwaanyị n'ala Igbo dị ka onye tozuru oke. Alụmdi na nwunye nwere usoro n'ala Igbo. Nke mbụ bụ na nwoke ga-ebu ụzọ chọwa onye ọ ga-alụ. Oge ọchọpụtara nke a, o mee ka ndị mụrụ ya mara ka e wee jụwa ase. Nchọpụta a nwere ike ịbụ mmadụ hụtaara onye ahụ nwata nwaanyị ahụ o chere nwere ezigbo omume ma ọbụ nwoke ji aka ya hụta ya dị ka ihe a na-ahụ n'oge ugbu a. mana otu o sila dị a ga-ajụrịrị ase tupu emewe omenala so ya bụ ime ego na ịgba nkwụ. Obayi na Ezema (2020), kwadoro nke a sị na alụmdi na nwụnye bụ njikọ mmekọrịta ọha na eze na-akwado nke mmadụ abụọ maọbụ karịa kwụsiri ike ma mejupụtakwa olileanya ha, ibi ndụ ha na udo nakwa obiọma ma nọkwa ka mmadụ nke nwere ezigbo ihe nke ha na-akụziri ọhaneze. Oge ụfọdụ di na nwunye nwere ike hapụ ịgba akwụkwọ nke ndị ụka, e mechaa di na nwunye ahụ ga-agafe n'ụlọ nke ha biri obi ezinaụlọ.

Ezinaụlọ bụkwa mgbe ndị mmadụ a mụrụ otu ebe nwere ike bikọta ọnụ maọbụ bisaa ebisaa. Ọ bụ ya ka *Church Communication and Culture* (2017) jiri kọwaa ezinaụlọ dị ka ndị jikọrọ ọnụ ma biri n'otu ebe. Kapur (2022) kọwara ezinaụlọ dị ka ụlọakwụkwọ nke na-enye ndị niile bi na ya ihe ha chọrọ iji dị ndụ. N'eziokwu, ezinaụlọ bụ ụlọakwụkwọ nke mmadụ ọ bụla a mụrụ amụ na-ebụ ụzọ banye tupu ọ gawa ebe ọzọ. A naghị enwe mmasị maọbụ mkpebi tupu a mụnye gị n'ezinaụlọ a mụnyere gị na ya. Ọ bụ ebe onye hụtara onwe ya ka ọ na-anọ. Ezinaụlọ bụ otu mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa ndị sitere n' ọmụmụ alụmdi na nwunye, ma ọ bụ nkuchi ndị bikọrọ ọnụ; a na-ewe ndị niile metụtara ya dị ka ndị otu ezinaụlọ (Ubesie, 2015).

Na nchịkọta ntụlegharị agụmagụ a, nke lebara anya n'atụtụ Bandura na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Na nwata na-ele nne na nna ya anya ebe ha na-ese okwu na ha ga-amalite bụkwara ndị na-ese okwu., ọzọ bụkwa nkọwa omenala, alụmdi na nwunye, alụkwaghị m, ezinaụlọ nakwa esemokwu. Nchọcha lebakwara anya n'isiokwu a bụ alụkwaghị m ,ịchọpụta ihe ọ bụ na ihe mere ndị mmadụ ji agba alụkwaghịm,. Ọghọm si na ya apụta nakwa ihe a ga-eme ka ewee gbochie ya. E lebakwara anya n'isiokwu anọ na nchọcha a hụrụ anya ma onwebeghị nke e mere na mmetụta alụkwaghị na-emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta nke abụọ n'ọmụmụ omenala Igbo na mpaghara Nsụka.

Usoro e jiri mee nchọchaa bụ sọvee nkọwa. Nke a na-arụtụ aka na nkọwa Nworgu (2015) kọwara na sọvee bụ usoro a ga-esere ụfọdụ ndị mmadụ na mpaghara e ji eme nchọcha ma nyochaa ha iji chọpụta nke bụ eziokwu bụ mmetụta alụkwaghị m na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenala Igbo na sekọndịrị nke abụọ na mpaghara Nsụka. Ebe a nọrọ mee nchọcha bụ na ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta nke abụọ dị na mpaghara Nsụka. Ụlọakwụkwọ a họọrọ bụ G.T.C, Nsukka, Urban Girls' Secondary School, Nsukka, Community Secondary School, Nru, C.S.S Ibagwa Ani, C.S.S Alor-Uno. A họọrọ sekọndịrị nta nke abụọ na Nsụka makana ndị ahụ bụ ndị na-akwadebe ule BECE n'afọ na-abịa n'ihu ma a na-atụ anya na ha amarala ihe bụ mmetụta. Ha ga-enwekwa ike ịza ajụjụ. Nsụka bụ obodo e ji omenala mara. Ọ bụ eziokwu na obodo Nsụka emepeele n'ihi Mahadum Naijiria dị na Nsụka, mana ha ejighị omenala egwu egwu dị ka iti ọmabe. Ọtụtụ ndị ọzọ na-aka ụka jupụtakwara n'ime ya. Ha na-arụkwa ọrụ ugbo nke ukwu. Ụfọdụ bụ ndị ọrụ oyibo, ebe ọtụtụ na-azụkwa ahịa. Nsụka na Ibagwa-Aka gbara agbata na ndịda, n'ọwụwa anyanwụ, ha na Opi. N'ọdịda anyanwụ, ha na Obụkpa; n'ugwu, ha na Eha-Alụmọna na Ọba gbakwara agbataobi. Ọ bụ nke a mere na ndị Nsụka bi n'agbata ji asụ asụsụ dị ka ndị agbataobi ha.

Ndị e ji mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ niile ọnụọgụ ha dị 1070 n'ụlọakwụkwọ iri atọ na abụọ gọọmenti nwere n'okpuru ọchịchị Nsụka. E sekwaara ụmụakwụkwọ 100 n'ụlọ akwụkwọ ise na Nsụka nke a kpachapụrụ anya họrọ ụmụakwụkwọ iri abụọ na nke ọ bụla dị ka ha si gbasaa aka. E wekwaara ndị nkụzi ise (05) n'ụlọakwụkwọ ise ahụ e seere were mee nchọcha ka ha nọchite anya mpaghara ha. Ọnụọgụ ha niile pụtara 105 bụ ndị zara njụmaza.

E jikwara akara ngosi anọ a were zaa njụmaza dị ka: Ekwesiri m ike EI
Ekwere m E | Ajụrụ m A | Ajụsiri m ike AI
E nyochakwara njụmaazaa ma nye ntuziaka. Nchọcha jiri aka ya kee njụmaaza ma were aka ya nakọta ya. E jikwara miin na ndịpun'izugbe we hazie ọrụ a nke na ụsa ruru 2.5 gbagowe ka a rọọrọ mana ndị erughi 2.5 gbadawa ka a hapụrụ. Ụsa nchọcha gbasara otu alụkwaghị si emetụta ụmụakwụkwụkwọ n'ọmụmụ omenala.

Tebulu Mbụ: Otu enweghị ezi ọzụzụ si emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụ omenala n'ihi enweghị ezi ọzụzụ.

Ngụ	**Ndịna**	**Miin**	**NI**	**Mkpebi**
1	Ụmụakwụkwọ a anaghị ahụ omenala dị ka ihe bara uru.	2.90	10.30	Ekwere m
2	Ụmụakwụkwọ ahụ anaghị ahụ onye ga-akwado ha n'ọmụmụ omenala.	2.90	5.59	Ekwere m
3	Ụfọdụ ụmụakwụkwọ ahụ anaghị enwe mmasị n'ihe ndị metụtara omenala.	3.80	16.76	Ekwere m
4	Ụfọdụ ụmụakwụkwọ ahụ na-ahụtakarị omenala dị ka ihe gbasara sọ ndị okenye	3.30	10.30	Ekwere m
	Mkpokọta miin	**3.22**	**10.74**	**Ekwere m**

Tebulu mbụ gosiri ụsa miin na ndịpun'izugbe otu enwghị ezi ọzụzụ si emetụta ụmụakwụkwọ n'ihi ịgba alụkwaghịm ndị nne na nna ha. Site na tebulu a, nchọcha nwetara akara miin ndịa: 2.90, 2.90, 3.80, na 3.30 na ndịna a1, 2, 3, na 4. Mkpokọta 3.22 na-egosi nnabata ụmụakwụkwọ na enweghị ezi ọzụzụ nne na nna maka enwghị ezi ọzụzụ na-adọghachi ụmụakwụkwọ azụ n'ịmụ omenala.

Tebulu Nke Abụọ: Otu enwghị ezi nsọpụrụ na iro si emetụta ụmụakwụkwọ n'ihi ịgba alụkwaghịm nke nne na nna.

Ngụ	Ndịna	Miin	NI	Mkpebi
5	Nghọtahie na-adịkarị n'etiti ha na ndị ọzọ	3.20	5.59	Ekwere m

6	Ndị nkụzi ha anaghị ahụkarị ha n'anya maka omume ha.	1.90	10.30	Ekwere m
7	Ụmụakwụkwọ ahụ anaghị enweta ihe ọma n'aka ndị okenye maka omume ha.	3.40	10.30	Ekwere m
8	Ụmụakwụkwọ ahụ anaghị ege ntị n'ihe onyenkụzi na-akụzi	3.40	10.89	Ekwere m
	Mkpokọta miin	**2.98**		**Ekwere m**

Tebulu nke abụọ na-egosi ụsa out enweghị ezi nsọpụrụ si emetụta ụmụakwụkwọ n'ihi alụkwaghị m nne na nna. Site na tebulu a, nchọcha nwetara akara miin ndị a: 3.20, 1.90, 3.40 na 3.40 maka 5, 6, 7, na 8. Mkpokọta miin 2.98 na-egosi na ewezuga ajụjụ nke isii miin ya bụ 1.90, ndị ụsaajụjụ kwenyere na ajụjụ niile dị na tebulu a bụ otu enweghị ezi nsọpụrụ si emetụta ụmụakwụkwọ n'ihi alụkwaghị m nke nne na nna.

Tebulu nke atọ: Enweghị ezi mmekọrịta n'etiti nne na nna na ụmụakwụkwọ si emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenala.

Ngụ	**Ndịna**	**Miin**	**NI**	**Mkpebi**
9	Ịkụziri ụmụakwụkwọ a omenala na-abụ ihe nhịahụ nye ndị na-azụ ha	2.80	7.50	Ekwere m
10	Ụmụakwụkwọ ahụ anaghị ahụta ọmụmụ omenala dị ka ihe dị mkpa na ndụ ha.	3.40	10.89	Ekwere m
11	Ụmụakwụkwọ ahụ anaghị ama mkpa ọ dị ịma ihe gbasara omenala.	2.80	4.33	Ekwere m
12	Ụmụakwụkwọ ahụ anaghị ama na omenala bụ ihe bara nnukwu uru	3.80	16.39	Ekwere m
	Mkpokọta miin	**3.20**		**Ekwere m**

Tebulu nke atọ gosiri ụsa miin na ndịpu n'izugbe out enweghị ezi mmekọrịta n'etiti nne nna na ụmụaka si emetụta ụmụakwụkwọ n'ihi alụkwaghịm nke nne na nna ha. Site na tebulu a, nchọcha nwetara akara miin ndị a: 2.80, 3.40, 2.80 na 3.80 maka 9, 10, 11, na 12. Mkpokọta miin 3.20 na-egosi na ndị sara ajụjụ kwenyere na

ajụjụ niile nke sitere na nke iteghete ruo na nke iri na abụọ bụ out enweghị ezi mmekọrịta n'etiti nne, nna na ụmụaka si emetụta ụmụakwụkwọ n'ihi alụkwaghị m nke nne na nna ha. Nke a gosiri na enweghị ezi mmekọrịta n'etiti nne na nna na ụmụaka na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ihi alụkwaghị m nke nne na nna ha.

Tebulu nke anọ: Alụkwaghị m nke nne na nna otu o si emetụta agwa ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenala Igbo.

Ngụ	Ndịna	Miin	IN	Mkpebi
13	Ụmụakwụkwọ ahụ anaghị esikarị n'aka ndị nne na nna ha amụta omenala dị iche iche.	3.60	12.99	Ekwere m
14	Ụmụakwụkwọ ahụ na-ahụta omenala dị ka ihe mmadụ na-ekwesighị itinye uchu.	3.60	12.99	Ekwere m
15	Ihe gbasara omenala anaghị abụ maka ụmụakwụkwọ ahụ	3.40	12.99	Ekwere m
16	Nwoke anaghị enyere nwunye ya aka ikụziri ụmụaka ha omenala	3.50	11.45	Ekwere m
	Mkpokọta miin	**3.53**	**12.61**	**Ekwere m**

Tebulu nke anọ gosiri n'ụsa miin na ndipu n'izugbe ihe na-ebute alụkwaghị m. site na tebulu a, ndị nchọcha nwetara akara miin ndị a: 3.60, 3.60, 3.40 na 3.50 maka 13, 14 na 16. Mkpokọta miin 3.53 na-egosi na na ndị sara ajụjụ kwenyere na ajụjụ niile nke sitere na nke iri na atọ ruo na nke iri na isii bụ ihe na-ebute alụkwaghị m.

Tebulu nke ise: Ka alụkwaghị m nke nne na nna si emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenala.

Ngụ	Ndịna	Miin	NI	Mkpebi
17	Alụkwghị m na-adọghachi ụmụakwụkwọ azụ n'ihe gbasara omenala	3.60	12.99	Ekwere m
18	Uche ụmụakwụkwọ a anaghị adịkarị n'emume ụfọdụ ndị obodo ha na-eme	3.40	12.99	Ekere m

19	Alụkwaghị m na-eme ka ụmụakwụkwọ a ghara inwe mmasị mgbe ọ bụla a na-ekwu maka omenala	3.60	12.99	Ekwere m
20	Alụkwaghịm na-eme ka ụmụakwụkwọ ghara ịma maka omenala otu o kwesiri.	3.40	12.99	Ekwere m
	Mkpokọta miin	**3.50**	**12.99**	**Ekwere m**

Tebulu nke ise gosiri ụsa miin na ndịpụ n'izugbe out alụkwaghịm si emetụta ụmụakwụkwọ. Site na tebulu a, nchọcha nwetara akara ndị a: 3.60, 3.40, 3.60 na 3.40 maka 17, 18, 19, na 20. Mkpokọta miin 3.50 na-egosi ụsa ajụjụ kwenyeren'ajụjụ niile sitere na17 ruo 20 nke na-ekwu na alụkwaghị m na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenala.

Nchọcha chọpụtara na nchọchaa mụtụtara ọmụmụ asụsụ Igbo, n'ebe nne na nna nọ, a chọpụtakwara naenweghị ezi ọzụzụ na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenala n'ihi alụkwaghịm. Ụmụ ha na-ata ahụhụ ma ndị nọ ha gburugburu na-atakwa ahụhụ n'ihi enweghị ezi ọzụzụ. Nchọcha chọpụtara na ụmụakwụkwọ nke a metụtara anaghị enwe ezi nsọpụrụ n'ihi ihe ha gabigaworo n'ezinaụlọ ha. A chọpụtakwara na ikwụ ụgwọ akwụkwọ n'ezinaụlọ e nwere ọgbaaghara na-ahịa ahụ. Nke a na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ akwụkwọ ha nke na-eme na ha na-abụ nsogbu dịrị onye ọ bụla ha na ha nwere mmekọ makana ahụ gana-agbakasị ha mgbe ọ bụla. Nchọcha chọpụtakwara ọtụtụ ihe bụ ihe na-eweta alụkwaghịm dịka; nwoke iti nwunye ya ihe, nwoke ma ọ bụ nwaanị ekwesighị ntụkwasiobi, ikwu na ibe ewepụghị anya n'ezinaụlọ ụmụ ha.

Na nchịkọta, nchọpụta sitere na nchọcha a gosiri na e nwere mmetụta ịgba alụkwaghị m nne na nna na-emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta nke abụọ n'okpuru ọchịchị Nsụka nke steeti Enugwu. Ihe ndịa gụnyere ka enweghị ezi ọzụzụ si emetụta ụmụakwụkwọ n'ihi alụkwaghịm. Ka enweghị ezi nsọpụrụ si emetụta ụmụakwkwọ n'ihi alụkwaghịm. Enweghị ezi mmekọrịta n'etiti nne na nna na ụmụaka si emetụta ụmụakwụkwọ n'ihi alụkwaghịm. Alụkwaghị na-emetụta ụbụrụ ụmụakwụkwọ nwere nsogbu a.

A tụnyekwara aro ka a ga-esi gbochie alụkwaghịm dị ka: 1. Ezinaụlọ buru ụzọ jụọ ase mgbe a na-abanye n'ịlụ di na nwunye.

2. Nne na nna ga-agba mbọ na-anagideịta onwe ha ka e wee gbochie alụkwaghịm.

3. Nne na nna ga-eme ka a ghara izobe ihe ọjọọ ka ọghara imechaa pụtawa okwu. Kama ihe ọ bụla dapụtara ka ha gbaa mbọ mezie ya ozigbo.

4. Nwoke ga-ejisi ike ghara iti nwunye ya ihe ma okwu sewe kama ka ha jisie ike ịgwa onwe ha eziokwu mgbe ọ bụla.

Nrụaka

Anozie, C.C. (2001). *Ntọala Ụtọasụsụ Igbo na Edemede*. Enugu. Amazing Grace Printing & Publishing Company

Britannica (2023). britannica.com/topic/family-kinship.Retrived November,30th

C.C.C. (2017). Church Communication & Culture. Religious Pamphlet.

Djabborova, F.O. (2020). Ways of Developing Listening Skills of English Learners in ESL and EFL Classrooms. *European Journal of Research and Reflection in Educational Sciences,* 8 (10), 212-216

Ejim, E.S., Anozie O. & Anowia, W. (2021). African Traditional Religion and Crime Control in Pre-Colonial Igbo Society of Nigeria: Challenges in the 21st Century. *Nigerian Peoples and Culture* (Ed.) Joshua O. Uzuegbu et.al. Enugu: Newland Designs and Print Solutions

Eze, U. (2016) *Mmụmi Olundị*. Eha-Amufu,Enugu: Buchi Concept, No 9 Park Red.

Ilu (18:22). Onye Chọtara Nwaanyị Chọtara Ezi Ihe…

Jayakumar, V.M. (2022). Language Acquisition Among Adults Using Listening Skills. *Journal of Positive School Psychology* 6 (6), 5187-5194

Kaiser, U. (2012). *A Primer in Enterpreneurship Zurich*. Department of Business Administration. University of Zurich

Kapur, R. (2022). https//www.researchgate.net/publication/35992009understanding the meaning of family. Retrieved on 30th November

Madụeme, I.S. (2014). *Enterprenurship Initiatives*. Nsukka. Jolyn Publishers

Nwabude, B. (2022). Traditional African (Igbo) Marriage & Customs.*The Influence of the Western Journal of Social Science* 10 (1), 224-239

Nworgu, B.G. (2015). *Educational Research Basic Issues and Methodology*. Nsukka: University Trust Publishers

Obayi, J.I. (2017). Mbido Ọmụmụ Asụsụ Igbo N'Ụlọakwụkwọ dị Elu (Ed.) Pamela Ụzọamaka in *Nigerian Peoples and Cultures*. Enugu: Computer Edge Publishers

Obayi, J.I. & Ezema C.A. (2020). Nkuzigharị Odudo Nsọ na Njirimara Obodo dị ka O si Metụta Ọdịnaala Igbo. *Ekwe Jonal Nke Ndị Igbo Scholars Forum, Nigeria* 13 (1), 61-77

Oge, N.I.(2022).puse.n/lifestyle/relationships-weddings/ịgba-nkwụ-all-need-to-know-about,t-the-igbo-traditional-marriage/ho65myn.Retrieved 30th November

Onuora, N.T, Obiakor, E.E., Chinagorom, L.C & Obayi J.I. (2019). Migration: Its Paradox to Igbo Language & Culture in Early 21st Century. *International Network Organisation for Scientific Research* 5(1), 81-89

Udechukwu, C. N. (2022). Ọji N'Omenala Igbo. In Ezeanya, O.C.P., Obiwulu, A. C.,Eze, U.A., Anozie, O.O.,& Udechukwu, C.N(Eds), *Salient Issues in Nigerian Peoples and Cultures* 119-122. Enugu. Ebenezer Productions Nigeria Ltd.